# Ihe ndị Igbo na-Agbarụrụ Ihu n'Ezinaụlọ Igbo: Ileba Anya n'Iduuazị Ubesie na Nzeakọ

**Juliet Ifunanya Okeyika, PhD**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Faculty of Arts
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ji.okeyika@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**
*Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ndụ. Ọ na-agba ihe ndị na-eme na ndụ n'anwụ. Ederede a bụ nke nyochara ụfọdụ ihe ndị Igbo na-agbarụrụ ihe n'ezinaụlọ dịka ha si dị n'iduuazị Isi Akwụ Dara n'Ala na Jụọchi. Nchọcha ndị e mere lebara anya n'ọtụtụ ihe gbasara ezinaụlọ malite n'izipụta ọnọdụ ezinaụlọ Igbo, na oke na ọrụ dịịrị onye ọ bụla n'ezinaụlọ mana nke a ga-elebazi anya na nsogbu sitere n'akpachapụghị anya n'ebe ezinaụlọ ahụ dị. Ebumnobi nchọcha a bụ iji akụkọ dị n'ime Isi Akwụ Dara n'Ala na Jụọchi wepụta ihe dị iche iche a na-ahụ n'ezinaụlọ dị iche iche n'ala Igbo. Nchọcha nkọwa a gbasoro atụtụ Agwa na atụtụ Marx. Atụtụ agwa bụ atụtụ Skinar wepụtara nke e ji amata akparamaagwa mmadụ nke agwa na-ezipụta ebe atụtụ Marx bụ atụtụ Karl Marx wubere maka ọchịchị na akụ enwe enwe e ji enyocha agụmagụ ndị a na-emegbụ site n'igosi nkarị n'ụdị ọ bụla. A chọpụtara n'ime ihe ndị a, na Ubesie gosiri etu ezinaụlọ siri ghasaa n'ihi agha, nakwa etu alụmdi siri bụrụ ihe nwaanyị mebiri n'ihi agwa ọjọọ ya. Nzeakọ gbara etu mpako nwaanyị a na-alụ alụ na nlefuanya ọrụ ezinaụlọ dịịrị ya, tinyekwara nna ezinaụlọ ịnwụjụ oyi, na ejighị ihe kpọrọ ihe na ịgbakwazi n'iro, siri ghasaa ezinaụlọ n'anwụ. Ihe ndị a na ọtụtụ ihe ndị ọzọ a na-ahụ n'ezinaụlọ dị iche iche dika ndị odee iduuazị abụọ a siri gosi ha, gosiri na iduuazị ederede Igbo na-ezipụta omume dị iche iche ndị Igbo na-agbarụrụ ihu dịka etu e si ahụ ha n'ezinaụlọ na n'agbụrụ dịkwa iche iche. Nchọcha a ga-enye aka n'ịkwalite agụmagụ ederede ọkachasi iduuazị n'ihina ọ bụ ya bụ ebe mgbado ụkwụ nchọcha a kpọmkwem.*

***Okwu ndị Gbara Ọkpụrụkpụ:*** *Ezinaụlọ Igbo, Agụmagụ ederede, Iduuazị, Atụtụ Agwa, Atụtụ Marx*

## Ndụbanye

Agụmagụ ederede so n'otu nkenụụdị agụmagụ e nwere. Oge ụfọdụ, a na-akpọ ya agụmagụ keogeugbua. Nke a bụ n'ihina ọ na-akọ maka ihe na-eme n'oge ugbua anyị nọ n'ime ya. N'agbanyeghị afọ e bipụtara ya, ihe kacha mkpa n'agụmagụ ederede bụ ndina ya. Ọ bụ nke a mere e ji si na e nwere ike ịkpọ ya keogeugbua. Ọ bụ site n'akụkọ dị n'ime agụmagụ tụmadị iduuazị ka e ji ekwu na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ. A bịa na nkewa agụmagụ edereede, e nwegasiri nkenụụdị ya nke iduuazị/akụkọ so n'otu n'ime ya.

A ga-esite n'ederede a mata na ọ bụghị naanị arụghị ọrụ dị iche iche n'ezinaụlọ na-eme ka esemeokwu dị n'ezinaụlọ, na ajọ akparamaagwa so eme nke a.

## Nnyocha Agụmagụ

Isiokwu nchọcha a ga-eme ka a kọwa ụfọdụ mkpụrụokwu. Nke a bụ ka nghọta isiokwu nchọcha abawanye.

### Ezinaụlọ ndị Igbo

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ dị n'obodo Naịjirịa; abụọ ndị ọzọ bụ ndị Awusa na ndị Yoroba.

Ndị Igbo nọ n'Ọwụwa anyanwụ ma nọrọkwa na mpaghara Steeti Delta na Rivas na Saut Saut nke Obodo Naịjiriạ. Ha na-asụ asụsụ Igbo nke e kewara n'olundị dị iche iche. E nwere ndị kọwapụtara ihe mejupụtara ezinaụlọ Igbo. Onye dị ka Ejiọfọ (1981:20) kwụrụ na; "ezinaụlọ ọ bụla kwesiri ịbụ nke gunyere nna, nne na ụmụaka". Nke a bụ okwu kwu ọtọ n'ihi na ọ bụ ndị a bụ ndị mejụpụtara ezinaụlọ. Ezinaụlọ ezuchaghị oke ma ọ bụrụ na otu n'ime ndị a a gụnyere pụọ n'ime ya.
Ọgbalụ (1981:9) kwenyere n'ihe Ejiọfọ kwuru, mana ọ ruturu aka ma kwuo na ndị Igbo ahụtaghị ezinaụlọ dịka ihe gunyere naanị nna, nne na ụmụaka, kama ọ si na ha hụtara ya dịka nke gunyere nna, nne, ụmụaka, ndị ọdịbo ha na ndị niile nna nọ n'ezinaụlọ na-enye nri maọbụ na-azụ. Nna, dịka a maara, bụ onye isi ezinaụlọ. Ọ chọpụtara na ezinaụlọ ndị Igbo ọbụla kpọmkwem na-ebi n'ụlọ a gbara ogige. N'ime ya, a na-enwekarị ụlọ abụọ. Otu n'ime ụlọ ndị ahụ bụ nke nna nwe ezinaụlọ, ebe nke ọzọ bụ nke nne. Ụmụaka ndị nwoke bugoro okorobịa na nna ha na-eke ụlọ ya, ebe ụmụaka ndị nwaanyị na ndị nwoke pere mpe na nne ha na-eke ma na-ebi n'ụlọ nke ya.
N'ezinaụlọ ndị Igbo n'oge ugbu a, ihe niile gbanwere, tumadi etu e si ewube ụlọ n'ezinaụlọ ndị Igbo. A naghịzi enwe nkewa ma a na-alụ ụlọ iji gosi nke nna maọbụ nke nne, n'ihi na a bịazie n'etu e si arụ ụlọ n'oge ugbu a, a na-arụnye ma ime ụlọ ebe a na-anabata ndị ọbịa na ime ụlọ iche iche n'ime otu ụlọ. Nke a ga-eme ka ime ụlọ zuoro ndị niile nọ n'ezinaụlọ ọbụla. Ezinaụlọ bụ ebe mbido na ebe mgbado ụkwụ ọzụzụ n'ala Igbo. N'ihi uru ezinaụlọ bara n'ala Igbo ma n'ụwa gbaa gburugburu, a na-akpachapụrụ mwube ya anya nke ọma.

**Akwụkwọ Agụmagụ Iduụazị/Akụkọ Ederede:**
Iduuazị so n'otu nkenụụdị agụmagụ ederede e nwere. Ndị ọzọ bụ abụ ederede na ejije ederede. A na-ahazị iduuazị n'ụdị akụkọ nke a na-eji asụsụ nka dị iche iche achọ mma. Onye maara ihe ekwe na-ekwu n'ihe gbasara edemede Igbo dịka Emenanjọ (1986:8) kwuru, "na e nwere ekereuche n'edereede Igbo…ka o siladi, mmadụ, tumadi onye Igbo nwere ike ịhụ maọbụ ga-ahụnwụ ihe a tụrụ anya na ha ga-ahụ dịka etu ọ dị n'akwụkwọ akụkọ nke ndị Bekee".
Ogbulọgụ (1999:126) kwuru n'uche nke ya na; "…agụmagụ iduuazị Igbo gụnyere ọrụ ekereuche ọbụla nke e dere n'asụsụ Igbo ma na-egosi ihe nzipụta dị iche iche e jiri mara ndị Igbo n'ala Igbo gbaa gburugburu". Nke a dabara nke ọma ma a ga-amatakwa na ihe niile tumadi ndụ ndị Igbo abụghị naanị n'agụmagụ iduuazị Igbo ka a na-ahụ ya maọbụ ka a ga-ahụkarị ya. Ihe ndị ọzọ gbasara ụmụ mmadụ, obodo dị iche iche na ụwa gbaa gburugburu bụkwa ihe ndị mejụpụtara ma na-emejupụta agụmagụ akụkọ Igbo. Ihe nke a na-egosi bụ na ihe gbasara ụmụ mmadụ na ndụ ha zuru ụwa niile, nke a mere na akụkọ Igbo dị ka akụkọ ndị ọzọ e nwegasịrị kwesiri ileba anya n'ihe ndị a.
Ndị maara ihe ekwe na-ekwu n'ihe gbasara edemede Igbo, ekpebiela na, "tupu a nabata edereede ọbụla dịka agụmagụ Igbo, a ga-edeririri ya n'asụsụ Igbo". Nke a gunyekwara ma ọ burugodu na onye dere ya abụghị onye Igbo.
Onye ọzọ sonyere n'atụtụ a ma kwenye na ya bụ Ugonna (1978:3) ebe ọ sị n'uche nke ya; "na asụsụ ọbụla bụ ụzọ e si egosipụta nhụtara ụwa ma bụrụ ụzọ ndị nwe asụsụ dị etu ahụ si ezipụta ndụ ha na onwe ha". Nke a kwuru onwe ya n'ihi na ebumnuche ndị, nke e zipụtara n'asụsụ ọzọ adabaghị nke ọma; ọ gaghị ewepụtacha ihe a tụrụ anya na ya nke ọma. Nke a apụtaghị na ndị e deghị n'asụsụ Igbo enweghị nke maọbụ aha a kpọrọ ha. Ọ bụrụ ederede zipụtara ndụ ndị Afrịka, dịka nkwenye ha, nsirihụndụ ha na ihe ndị ọzọ gbasara ha, e dere n'asụsụ Bekee maọbụ n'asụsụ ọzọ nke abụghị asụsụ Igbo, a kpọọ ya "agụmagụ ederede nke Afrịka".
Ihe nke a na-egosi bụ na e nwere ụzọ agụmagụ abụọ; nke e dere n'asụsụ ndị (ịma atụ asụsụ Igbo)

na nke e dere n'asụsụ ọzọ ma na-arụtụ aka n'ihe na-eme na ndụ ndị ọzọ. Nghọta dị na nkọwa a n'ihị na ndị odee ndị ahụ bụ ndị dere agụmagụ ha n'asụsụ Bekee, chọrọ ka a kpọọ agụmagụ ha agụmagụ edereede Igbo, kwesiri ịtụgharị akwụkwọ agụmagụ iduuazị ha dere n'asụsụ Igbo ka e nwee ike kpọọ ha iduuazị Igbo. Ọ bụghịkwa naani ịtụgharị iduuazị ndị dị etu ahụ n'asụsụ Igbo, kama ha ga-enwekwa nkwenye ndị Igbo na ha, nsirihuụwa ndị Igbo dị iche iche na ha. Ọmụmaatụ pụrụ iche ebe ụdị ihe a pụtara ihe bụ na ntụgharị a tụgharịrị akwụkwọ agụmagụ *Potter's Wheel*. Odee akwụkwọ a bụ Chukwuemeka Ike, tụgharịrị ya kpọ ya *Anụ Ebu Nwa*. Ndịnaya na asụsụ e jiri tụgharịa ya, mere ka a kpọ ya agụmagụ edereede Igbo kpọmkwem.
N'ikwenye na nke a, Ugonna (1982:2) sị na; "ihe kachasị mkpa n'akwụkwọ agụmagụ akụkọ Igbo, ejije Igbo maọbụ abụ Igbo bụ na e dere ya n'asụsụ Igbo". E wepụtara akwụkwọ agụmagụ iduuazị *Isi Akwụ Dara n'Ala* na *Jụọchi* leba ya anya, wee dee isiokwu edereede a. E dekwara ya n'asụsụ Igbo, nke mere ka ọ dabaa n'otu ihe a tụrụ anya n'ihe a kpọrọ agụmagụ Igbo kpọmkwem.

**Odee Agụmagụ Akụkọ Ederede/Iduuazị Igbo na Gburugburu Ebe Obibi Ya:**
Odee iduuazị bụ onye ji ekereuche ya dee ihe n'iduuazị dịka otu n'ime ụdị agụmagụ ederede e nwere, nke ọ chọrọ ide ihe na ya. A bịa na gburugburu ebe obibi ya, a na-ahụta ebe ihe dị iche iche dị n'ọrụ ya nọ wee mee.
Emenyọnụ (1978:188) ma ihe o kwuru mgbe ọ sị na "ederede Igbo bụ asụsụ Igbo na ndụ ndị Igbo mebere ya". Ọ na-ekwu maka ndụ na ihe ndị e ji mara ndị Igbo. Ọ bụ ihe ndị a na-agba elu ma odee iduuazị Igbo chọọ ide ihe n'abụ, ejije maọbụ akụkọ/iduuazị Igbo ọ bụla.
Ezinaụlọ dịka otu n'ime ihe dị mkpa n'ụwa, na-abụkarị ebe mgbado ụkwụ odee edemede ederede ọbụla tụmadị ederede Igbo. Etu ezinaụlọ sịrị dị na ihe ndị na-emegasị na ya ka a na-ahụ n'akụkọ ederede. Ọtụtụ nsogbu na-adị maọbụ nke a na-ahụ n'ezinaụlọ dịka esemeokwu ndị nwunye di, ịgba alụkwaghị m, ekworo, anyaụfụ, na ndị ọzọ bụ ọmụmatụ ndịna isiokwu na-adị n'akụkọ ederede. Ihe ndị a ga-edubanye ederede a, igosi etu ezinaụlọ ndị Igbo sị pụta ihe n'akwụkwọ agụmagụ Igbo a họọrọ maka ederede a ma zipụta ihe ndị na-emebi ezinaụlọ ndị Igbo na-agbarụrụ ihu ka ụmụ mmadụ sị na ha mụta ihe ga-abara ha uru.

**Atụtụ Nchọcha a**
Atụtụ ndị a gbasoro wee mee nchọcha a bụ atụtụ Agwa na atụtụ Marx. Ọ bụ atụtụ agwa n'ihị na o zipụtara ọtụtụ agwa na akparamaagwa dịka ha sịrị dị n'ime iduuazị ndị a họọrọ mee nchọcha a. Ọ dị ọtụtụ omume ndị kwesiri mgbanwe ma nwekwa ndị kwesiri ka e ṅnomie. Akparamaagwa Chike n'*Isi Akwụ Dara N'ala,* na akparamaagwa Jụọchi na *Jụọchi* bụ agwa ndị e zipụtara dịka ndị e kwesiri iṅomi akparamaagwa ha; mana agwa Ikegwuọnụ, Adamma na Oriakụ (ọ bụchaghị akparamaagwa ya niile) n'*Jụọchi*, zipụtachara akparamaagwa ndị Igbo na-agbarụrụ ihu dịka e si ahụ ha n'ọtụtụ ezinaụlọ ndị Igbo. Nke Ada n'*Isi Akwụ Dara n'Ala*, bụkwa akparamaagwa nke ekwesighịkwa ka e ṅomie n'ihi na ọ na-emebi nwaanyị ma na-aghasa ezinaụlọ. Ịmaatụ, akparamaagwa Ikegwuọnụ n'akụkọ iduuazi *Jụọchi*, ezipụtaghị agwa dibiaụlọ n'ihi enweghị okwu nke aka ya. Enweghị nchekwa onwe ya dịka ajọ omume, pụtara ihe na ndụ nwoke a mgbe o weturu onwe ya ala n'aka nwanne nwunye ya site n'ịtụba ya ime. Etu a ka ọ dị n'akparamaagwa ịgba n'iro nke a hụrụ na ndụ Ada dika ọ dị n'*Isi Akwụ Dara n'Ala*. O metụtara agwa n'ihi na ọ bụ ka nwaanyị na-ebi ụdị dị etu a gbanwee ya maka na uru adịghị ya kama ọ na-aghasa ezinaụlọ n'ala Igbo ma bụrụ ihe ndị Igbo na-agbarụrụ ihu.
Atụtụ ọzọ e ji mee nchọcha bụ nke Marx pụtara ihe na *Jụọchi* ebe e gosiri ezinaụlọ bi n'ime obodo na nke bi n'obodo mepere emepe. E ji nke a gosi na ezinaụlọ niile bụ ezinaụlọ mana e

nwere ndị ka ibe ha. A hụrụ na ezinaụlọ Ikegwuọnụ bụ nke nwere ego ma nwee ihe niile e ji ele ndụ anya mana nke Ekwuigbo bụ nke ogbenye ọnụ ntụ. Ọ bụ site n'igosi nkarị a ka e ji kpọkpụ Jụọchi ka ọ gaa binyere ezinaụlọ Adamma dị ka odibo ha. Atụtụ a ga-enye aka na nchọcha a n'ihi na ọ ga-egosi mmegbu na mkpagbu dị n'iduuazị a nke ndị Igbo na-agbarụ ihu na ya.

**Ntulegharị Edemede Nchọpụtaga**

Isiokwu nchọcha a esighi n'elu daa. O nwela ihe ndị e derela n'oge gara aga yitere ihe banyere isiokwu nchọcha a mana ndịna ha abụghị otu ihe. Ọ bụ site n'ụfọdụ mperi ha ka mkpali ime nchọcha banyere isiokwu a siri malite. Ụfọdụ n'ime ha bụ:

Nchọcha onye dịka Okigbo, (2015) mere n'isiokwu, "Nghọta Ndụ Ezinaụlọ Ndị Igbo na Mmebere Ya". Site na nchọpụta ya, o dere na ọ bụrụ na nne na nna emeghị ihe ha kwesiri ime n'ezinaụlọ ha, ọdịda ezinaụlọ ha ebidola. O mere ka a mata na nsogbu a na-ahụkarị n'ezinaụlọ na-esite n'arụghị ọrụ dịịrị nne na nna n'ezinaụlọ. Isiokwu ya egosighị na akparamaagwa nne maọbụ nna nwere ike imebi ezinaụlọ. Ọtụtụ oge nne na nna nwere ike na-arụ ọrụ ha dị iche iche n'ezinaụlọ mana akparamaagwa nke ọbụla abụrụ ihe ga-aghasa ezinaụlọ ha. Nke a mere ka nchọcha a dị iche n'ihị na ọ gbaliri igosi na ewezuga ịrụ ọrụ ezinaụlọ na akparamaagwa nne na nna so n'ihe na-aghasa ezinaụlọ dịka ha si pụta ihe na ndụ agwa ndị dị n'iduuazị ndị e jiri mee nchọcha a.

N'otu aka a ka e siri lebaa anya n'isiokwu nchọcha; "Ezinaụlọ na Iduuazị Igbo" nke Ikwubụzọ (2012) mere. O ji iduuazị atọ were gosi ọnọdụ naanị ezinaụlọ ndị Igbo n'iduuazị. Ọ rụtụrụ aka n'ihe gbasara etu ndị Igbo si ebi ndụ ha n'ezinaụlọ nke mere ka ọ dị iche n'etu agbụrụ ndị ọzọ si ebi. N'eziokwu izipụta ọnọdụ maọbụ etu ndị Igbo si ebi ndụ dị mma, mana ọ ga-akacha mma ma ọ bụrụ na e zipụta na agwa nne na nna nke ezinaụlọ so n'ihe na-aghasa ezinaụlọ. Ọ bụ ihe dị etu a mere ka nchọcha Ikwubụzọ dị iche na nchọcha a.

Ọzọ (2000) mere nchọcha isiokwu ya bụ "Nnyocha na Ntụcha Iduuazị *Isi Akwụ Dara n'Ala".* Nchọcha a gbaliri iwepụta na n'igosi ọnọdụ agha debere ụwa n'oge ahụ. O gosiri ụkọ dị iche iche nke agha wetara n'ụwa site n'iji *Isi Akwụ Dara n'Ala* wee mee nke ahụ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na agha adịghị mma ma ncha n'ihi ọtụtụ ihe ọjọọ ọ na-eweta dịka inwe ụkọ nri, ụkọ ego na igbochi ọganiihu. Ọ rụtụghị aka n'ihe gbasara ezinaụlọ na ọnọdụ agwa ọjọọ nwaanyị debere ezinaụlọ ya.

"Asụsụ na Akanka nke Ubesie na Nzeakọ" bụ isiokwu nchọcha Mojekwu (2003) mere na-egosi etu dị iche iche ndị odee abụọ a si achọ ederede mma. O wepụtara ebe ha siri yie na ebe ha siri dị iche iche. Ihe ndị e lebara anya ma bụrụ nchọpụta e mere banyere isiokwu a bụ na odee abụọ ndị ahụ na-agbali iji Igbo Izugbe ede ederede ha. Ha na-ewebatakwa ilu n'ebe ọ dị ukwuu. A chọpụtara na ha na-akọwa ilu ndị ahụ dịka ha siri pụta ihe n'ọrụ ha. Nke a gosiri na ihe nchọcha a lebara anya bụ naanị asụsụ na akanka ka o siri metụta odee abụọ ndị a a họọrọ akwụkwọ ha wee mee nchọcha a. Ihe gbasara agwa, akparamaagwa na etu ha siri metụta ọnọdụ ezinaụlọ, apụtaghị ihe na ya.

**Ihe ndị Igbo na-Agbarụrụ Ihu n'Ezinaụlọ Pụtara Ihe n'*Isi Akwụ Dara n'Ala* na Ọghọm Ya**

Ezinaụlọ ndị Igbo bụ ihe e gosiri n'*Isi Akwụ Dara n'Ala*. Ezinaụlọ e gosiri na ya bụ nke oge ugbu a n'ihi na ntọala ebe ya bụ n'obodo mepere emepe; Enugwu. Ezinaụlọ pụtara ihe na ya bụ nke Chike (nna), Ada (nwunye ya) na ụmụ ha abụọ (Chukwuma na Ọbịanuju). Chike bụ nnọ nwoke na-agbasị mbọ ike ma nwekwaa ego, ebe nwunye ya bụ onye ọrụ oyibo. Ụmụ ha ka pere mpe.

N'isi mbido iduuazị a, e gosiri ezinaụlọ ha dị ka ezinaụlọ mmekọrịta dị n'etiti ya bụ nke ọṅụ, aṅụrị, nghọta na udo jụpụtara na ya. Nke a bụ n'ihi na nwoke nọ n'ezinaụlọ ahụ nwere ego ma hụkwa nwunye ya n'anya. A hụrụ nke a n'ihu akwụkwọ iri na asatọ ebe e dere sị;

> Chike ji ego. O nwere moto. Ọ bị n'ezigbo ụlọ dị mma.
> Oriakụ Chike nke Ada na-aza abụghị n'ọnụ. Ọ na-eri akụ Chike
> kwetakwa na ọ na-eri ya n'eziokwu. Ọ bụ gịnị ga-eme ka ya na Chike
> ghara ịbị nke ọma, ma hụkwa onwe ha n'anya? N'uche Ada, o nweghị.
> Ada nwere ihe niile nwaanyị na-atụ anya n'aka di ya… (ihu 18)

A hụkwara etu ndị mmadụ sịrị hụta ezinaụlọ Chike dị ka nke udo na ọṅụ jụpụtara na ya, wee kpebie na ọ dịzị ha ka ha bụrụ ha. A hụtara nke a dịka;

> Dị ka ndị nọ n'akụkụ na-ele ha anya si hụ ha, ha na-ebi n'udo.
> Ha anaghị ese okwu.

Dịka etu ụfọdụ ụmụ nwoke na-eme n'ezinaụlọ ha n'ala Igbo, Chike gwara nwunye ya kwusi ịrụ ọrụ ya maka na ego a na-akwụ ya pere mpe nke na o nweghị ihe ọ na-ezu igote. Ọzọkwa bụ na ya bụ Chike nwere nnukwu ego nke ọ ga-eji na-elekọta ya na mkpa ya niile anya.

Ọbịbịa n'ike nke agha bịara, wetaara Chike ndaghachị azụ n'azụmaahịa ya, nke mere ka ya na ezinaụlọ ya si obodo mepere emepe laa obodo ya. N'oge agha ahụ, nwoke ọbụla na-akpachapụ anya n'etu o si apụ, ka a ghara ijide ya mee ka o sonye gaa lụọ ọgụ n'agha. N'izizi, Chike kpebiri isonye ndị amị gaa lụọ ọgụ, mana n'ihi uru ọ na-abara nwunye ya na ezinaụlọ ya, o kpebikwara na ya agaghizi esonyere ha.

Ubesie gosiri omume Chike ka akparamagwa ezigbo onye Igbo kpọmkwem. Nke a bụ etu o siri were ezinaụlọ ya dị ka ihe izizi na ndụ ya. Nwoke onye Igbo ọbụla na-ahụta ịgbaghapụ ezinaụlọ ya dị ka ihe ekwesighi ekwesi ma ncha; nke a bụ maka ịhụnanya ha nwere n'ebe ezinaụlọ ha dị. Nke a ka Ejiọfọ (1981:37) chọpụtara wee sị na; "Nwoke onye Igbo ọbụla, bụ onye a na-ahụ dịka onye na-agbabido ihe mmapụ ume ọbụla na nsogbu dị iche iche nke na-achọ isi n'ezi adakwasa ezinaụlọ". Ha na-eji onwe ha ezere mgbọ chọrọ ịdakwasa ezinaụlọ ha.

Ọzọ bụ na nwoke onye Igbo huru ndụ ndị ezinaụlọ ya n'anya karịa ihe ọbụla. Nke a ka a hụrụ n'akwụkwọ iduuazị a site n'ụdị omume Chike mesoro Ada, oge ha na-achọ isi obodo mepere emepe ha nọ na-ala obodo ha n'ihi agha mberede ahụ. N'ebe ahụ, Ada chọrọ ka o kponye akwa ya na ngwa ihe o ji esi nri n'azụ oche ụgbọala ha ebe a hapụụrụ umu ha ka ha nọrọ. Ozigbo Chike huru nke a, o tie n'ike sị ya:

> Ada! Isi adịkwa gị mma?
> N'ụsa Ada, ọ jụrụ Chike sị: Nna Chukwuma, Olee ka m ga-esi hapụ
> Ite ofe m? Olee ka m ga-esi…? (Ihu 24)

Chike ekweghị ya jụcha ya ihe ọ chọrọ iju ya wee sị ya:

> Gịnị bụ ite ofe?
> Gịnị bụ uwe gị?
> Ndụ gị na ụmụaka a, na igbe gị na ite ofe gị,
> kedụ nke ka mkpa? Ada chịrị ụmụaka chịlaara m ụlọ!
> Hapụ ihe ndị a niile na ọ bụ m zuru ha. Ejighị ego azụta mmadụ. (Ihu 24)

N'ebe a ka odee iduuazị a wepụtara ma kọwapụta mkpa nwoke onye Igbo ọbụla kpọrọ ezinaụlọ ya.

N'oge agha ahụ, ụmụ nwoke anaghị apụ apụ n'ihi ụjọ ijide ha kpọnye ndị Amị, mana ụmụnwaanyị na-akpaghariri onwe ha ma na-aga ebe ọbụla ha chọrọ ịga. N'ihi nke a ka Ada jiri

malite zụwa ahịa ataakị ma bido nwetaba ego. Ahịa a ọ na-azụ weketara ya na ndị Amị nke mere ka ya na ha malite yịwa ọyị. N'ihi ikike nke ọ na-enweta n'aka ndị Amị, o mere ka ọ gharazi inwe nsọpụrụ n'ebe di ya nọ. Ọ malitekwara na-akpọbata ụmụ nwoke dị iche iche n'ụlọ ha, nke a ka ọ na-eme n'ihu di ya. Ọ ghahapụrụ ezinaụlọ ya gaa biiri onwe ya ka o wee nwee 'aṅụrị' n'uju ya.

Chike gara n'ụlọ Ada gaa rịọ ya nri ma chetakwara ya na ya ka bụ di ya. N'ịzaghachi ya, Ada sị ya; Di gbakwaa ọkụ.(Ihu akwụkwọ 150)

Omume ọjọọ Ada na-emeso di ya bawanyere nke mere ka ya na ndị Amị kpaa alo etu ha ga-esi jide Chike. Ha mechara jidekwa ya nke mere ka o soro ndị Amị gaa ọgụ. N'eziokwu, nke a abụghị ihe Chike chọrọ n'ezinaụlọ ya. O nweghịkwa onye Igbo ọbụla ga-ekpe ụdị ihe a n'ekpere ka ọ bịara ya. Ọ bụ site n'enyemaaka enyi Chike ochie nyere ya kpatara o jiri bụrụ onye dị ndụ n'ọnọdụ nke ọ hụrụ onwe ya mgbe a kpụgara ha ebe ha gara ịlụ ọgụ.

N'iduuazị a, Chike bụ nnọ onye nwere ndidi ma jupụta n'amamihe dịka onye Igbo. Dị ka di, o nwere ndidi; nke a bụ n'ihi etu o si nwee obi mgbaghara ma na-anabata ndị ọzọ. Ndidi o nwere gosiri site n'etu o si edi ịgba n'iro na ihe ndị ọzọ dị njọ nke nwunye ya na-emeso ya. Ọ na-eji nwayọ na-agwa nwunye ya okwu ndụmọdụ dị iche iche ma na-agwa ya kwusi ajọ agwa ya niile ma kwanyere ya ugwu ruuru ya dịka di ya. A huru ebe Chike kwuru nke a, ebe ọ sị;

> Nne, ị mara ugwu ruuru m dịka di gị, kwanyere m ya, maka na di
> nwaanyị bụ aka Ogori na-ehi n'isi. Nwaanyị hapụ di ya, isi eruo ya
> ala. Ndụ nwaanyị enweghị isi ma o nweghị nwoke o ji etu ọnụ. (Ihu 135)

Okwu a Chike kwuru gosiri etu ụwa niile tumadu nke ndị Igbo sị ahụta etu kwesiri ka di na nwunye na-ebi n'ezinaụlọ. Ndị Igbo kwenyere na nwaanyị bụ ahụ di ya. O kwesiri ka ọ na-erubekwara di ya isi. Ndị Igbo kwenyekwara na ọ bụ nwaanyị ga-ata ahụhụ ma ọ hapụ di ya maọbụ na-ele di ya anya n'isi. Nkwenye a bụ nke Ubesie ziputara kpọmkwem. Chike anaghịzị ahụ ihe ndị ahụ ụwa nabatara n'akparamaagwa nwunye ya. Ndụ ya na-ebutere di ya mmechu ihu na mkparị dị iche iche. Agwa ọjọọ agbanweghị agbanwe nke Ada a, kpatara Chike jiri kụọ ya ihe tinka kuru panu otu ụbọchi, n'ihi na o nweghị nwoke onye Igbo ọbụla nke a ga-eme ihe Ada na-eme ya na agaghị eme ihe o jiri buru nwoke. Omume na akparamagwa Ada mebiri ịhụnanya na ịdị n'otu nke dibu n'ezinaụlọ, ọ naghịzị elekọta ụmụ ya anya. Ọ gbahapụrụ ha, ha anọrọ ka ndị na-enweghị nna. Mkparị Ada na-akparị di ya ruru na nke ịsị di ya saa efere ma rụọ ọrụ ezinaụlọ ndị ọzọ dị iche iche tupu o nye ya ego na nri ya na ụmụ ha.

Omume Ada ndị a niile mere ka ọ ghara idebe iwu maọbụ nkwekọrịta alụmdi nke bụ; 'ma ọ dị mma, ma ọ dị njọ'. A huru na Ada anaghịzị eso ndị ezinaụlọ ya erizi nri.

> Oge agaala mgbe ya na Chike na ụmụ ha na-erikọ ihe ọnụ
> dịka ndị si n'ezigbo ezinaụlọ. Otu ihe kpatara ya ugbu a bụ na ọ bụ
> Ada na-eweta ego.

Nzaghachi okwu Ada dị ka; 'I wetara ego gari ka ọ bụ ego akpụ ka ị wetara?... Di gbakwaa ọkụ buzi ihe ọ na-agwa di ya oge ọ bụla di ya na-agwa ya okwu ndụmọdụ gbasara ihe ọjọọ ọbụla.

Ihe akparamaagwa Ada n'iduuazị a na-egosi bụ na nwaanyị buru onye na-akpata ego n'ala Igbo, e nwere ike, ọ gaghizi erubere di ya isi. Nke a ka a huru n'ihu akwụkwọ iri asato na ise ebe Ubesie kọwara na alumdi na nwunye Chike na Ada atoghizi ụtọ ka o si atọbụ. E nweghizi ịhụnanya na ntukwasiobi na ya. Nkwa ha kwekọritara onwe ha n'ụlọụka, abụrụzie nke e mebiri;

> Ọlụlụ di na nwunye Chike na Ada ugbu a, dịka ọ bụ mgbere
> Ka ha abụọ na-atụ. Ọ dịghị onye na-elenyere ibe ya ụdị anya
> kwesiri na di na nwunye ga na-elenyere onye nke ọzọ. …Akwụkwọ

> ha gbara n'ụlọụka tupu ọgụ amalite dị ka ọ bụ eriri e ji chie ọzọ, nke e
> were gbanye nkịta n'ụkwụ.

N'ikpeazụ, ihe niile biri; agha biri, Chike laghachiri Legọs wee chọpụta n'ụlọahịa ya kwu chim oge a na-alụ agha. Akụnaụba ya bawanyere karịa etu ọ dị na mbụ. Onye ọbụla nọzị mma beluso Ada. Elu erughị aka, ala erughị ya aka. Onye Amị tụbara ya ime nwa ọ kpọ, chụpụrụ ma ya ma nwa ya si ya na ya alụọla nwaanyị. Chike n'onwe ya jụwara isi ma sị na ya agaghị eri nri e rifọrọ erifọ. Ọ bụ n'ebe a ka aha akwụkwọ iduuazị a pụtara ihe nke ọma n'ihi na "Isi Akwụ Dara n'Ala, Edetụla Aja".

Site n*'Isi Akwụ Dara n'Ala*, Ubesie zipụtara ezinaụlọ onye Igbo nke agha mbereede ghasara, ma buru nke ịgba n'iro nke nwaanyị na omume ọjọọ nwanyị mebiri. Ada ekweghị njide n'agbanyeghị okwu ndụmọdụ niile di ya nyere ya. Akụkọ dị n'ime akwụkwọ a bụ nke ji maka ihe nweta na inwe aṅụrị nke ụwa gbahapụ ezinaụlọ ọkachasi di ya na ụmụ ya n'oge ha chọrọ ya na ndụ ha.

Akparamaagwa Ada gosiri nwaanyị nke na-ebinyere di ya naanị mgbe ihe dị mma. N'ihu akwụkwọ iri asatọ na asaa, a huru ya dị ka;

> Mgbe ihe dị mma, ihe Ada na-akpọ ya bụ nna ya ukwu,
> ma ọ bụ nna Chukwuma, ma ugbu a, ihe ọ na-akpọ
> ya bụ nwoke a.

Omume nwanyị a n'ebe a bụ ihe a ga-ahụta maọbụ kọwa dị ka;

> Ọ bụrụ na nwoke na nwanyị abụghị di na nwunye mgbe ihe dị
> na mkpa, olee mgbe ha ga-abụkwa di na nwunye?
> …di na nwunye bụrụ naanị mgbe ihe dị mma, ọ dịghị
> mkpa na nwoke na nwaanyị ga-ekwekọrịta na ha ga-abụ di
> na nwunye. (Ubesie 1973:204)

**Ihe ndị Igbo na-Agbarụrụ Ihu n'Ezinaụlọ Pụtara Ihe na *Jụọchi* na Ọghọm So Ha**

Na *Jụọchi,* Nzeakọ gbara ụzọ ezinaụlọ abụọ n'ala Igbo n'anwụ. Otu n'ime ha bụ ezinaụlọ nke ime obodo nke na-egosi ndị bi na ya dị ka ndị agụghị akwụkwọ ebe e nwere ekworo, obi ọjọọ, mmegbu na ịkpọ asị. O gosiri ezinaụlọ ndị ogbenye ọnụ ntụ na-ata ahụhụ. Nna ha, dịka naani nwoke fọrọ n'ezinaụlọ ha, nwụrụ oge nwa ya nwaanyị dị naanị afọ anọ. N'oge ndụ ya niile, o binyeere ụmụnna ya ndị chọrọ ka ọ nwụọ ka ha were kpakọrọ ala ya niile.

Ekwuigbo, biri ndụ onye na-akpachapụrụ ndụ ya anya. Ọ na-agbara ihe ọbụla ga-ebutere ya oke mmekọ ya ndị mmadụ ọsọ. Ọ na-agbakwara ịṅụ mmanya, ịta ọjị maọbụ ịkpọ ụtaba ọsọ. Ihe niile a ọ na-eme bụ ka o wee gbateere ndị iro ya aka ka ha ghara ịbịa ya nso. N'agbanyeghị nkwụcha ya niile, Ekwuigbo dara n'oke ọrịa nke mere ka o kwenye na aka ndị iro ya dị n'ihe na-eme ya. O malitere chuwe be ọtụtụ dibịa ka ha gwọọ ya nke mere ka ego ya gbadaa na o nweghizi ike ịzụ nwa nwaanyị ọ mụrụ. O mekwara ya ka ọ ghara inyenwu nwunye ya ụdị ego na ihe ga-ezuru ya.

Mgbe ọ na-arịa nnukwu ahụ a, onye ọbụla gbahapụrụ ya; ma ikwu ma ibe ya. Rukwaa oge ọ nwụrụ, ọ bụ naanị nwunye ya na nwa ya nwaanyị nọ ya nso. O nweghị onye bịara gụgụọ ha. Akwamaozu ya bụ nnọ ka ọ bụrụ na e mezuru iwu; naanị mmadụ ole na ole bịara lie ya ma laghachikwa ozigbo e lichara ya.

Dịka ọtụtụ ihe na-eme n'ọtụtụ ezinaụlọ ụdị ihe a mere, o rụghị izu ụka abụọ Ekwuigbo nwụchara, ndị ụmụnna ya banyewere n'ala ya, gbuwe akwụ na ihe ụbị ndị ọzọ dị n'ala ya n'echeghị maka nwunye nwoke nwụrụ anwụ na nwa ya nwaanyị. N'ihi ịzọ ndụ ya na nke nwa ya nwaanyị na

ịgbanahụ nsogbu na ndị iro dị be di ya, Udumma hapụrụ be di ya laa be nna ya ebe ya na nwa ya ga-enwe nnabata.

N'ala Igbo, ọ bụrụ na e nwe esemokwu maọbụ nsogbu amụtaghị nwa nwoke nke mere ka dibiaụlọ maọbụ ndị be di nwanyị ahụ di ya nwụrụ chupu nwanyị a na-alụ alụ, ọ bụ be nna ya ka nwaanyị dị etu ahụ na-agbaga, ebe a ga-anabata ya, o nwee nchekwa ma nwekwaa ndị ga-eleru ya anya nke ọma. N'isonye na nke a, ụmụnne Udumma ndị nwoke nabatara nwanne ha nwaanyị di ya nwụnahụrụ na nwa ya nwaanyị (nwadiala ha). Ha chetakwaara ya na omenala Igbo anabataghị ikenye ya oke nna ha n'ihi na ọ bụ nwaanyị. Nke a mere ha jiri gwa ya zọọ isi onwe ya na nke nwa ya nwanyị site n'ịchọ ihe ọ ga-eme ka o wee nyere onwe ya aka.

N'ezinaụlọ ndị Igbo, nwaanyị ajadụ na-ewere ọnọdụ izulite ụmụ ya na ịkpata ihe ụmụ ya ga-eri, dịka etu Udumma si eme. Ka ya na nwa ya wee dị ndụ, ọ malitere rụwa ụmụ kịrịkịrị ọrụ dị iche iche nke obere nwa ya nwaanyị na-esonyekwara ya arụ. Nwa ya nwaanyị na-aba n'ime ọhịa, weta akị, akwụ ndị dara n'ala na-eti ha. Ọ bụrụ na o tite nke bụrụ ịbụ, ọ gaa ree ya. N'obodo emepeghị eme n'ala Igbo, ndị na-eme ụdị ihe dị etu a bụ ndị ogbenye ọnụ ntụ.

Nzeakọ zịpụtakwara njirịmara ezinaụlọ ndị Igbo, nke bụ nne na nna izipu ụmụ ha ịga gbaa odibo mgbe ha enweghịzị ego ha jị egbo mkpa ụmụ ha. N'ihi oke ihe isi ike nke Udumma na nwa ya nwanyị na-agabiga, Eloka otu n'ime ụmụnne Udumma, tụrụ alo ka a kpọga Jụọchi ka ọ gaa gbaa odibo ka ihe isi ike belatara nwanne ya nwaanyị. E mechara kpọga Jụọchi ebe ọ gara bụrụ odibo n'otu ezinaụlọ mana e mere nke a na nkwekọrịta onye ọ bụla nọ n'ezinaụlọ ahụ. Ihe dị etu a gosiri ihe a na-ahụ n'ezinaụlọ ndị Igbo. Ọ dịghị mgbe a na-eme ihe dị ka ike nwaanyị di n'ala Igbo maọbụ zịpụ mmadụ odibo nke anaghị abụ nkwekọrịta onye ọ bụla nọ n'ezinaụlọ. N'ebe a, a hụrụ etu nwanne Udumma sị arụ ọrụ dịka nna site n'ikwubi ọnọdụ a ga-eji kpọpụ Jụọchi ka ọ gaa gbaa odibo.

N'igosi ezinaụlọ ndị Igbo kpọmkwem, Nzeakọ egosila ihe onye ndị iro gbara gburugburu ma chọọ ka ọ nwụọ ka ha wee kpakọrọ akụnaụba ya, gabigara. Ekwuigbo bụ onye nke a metụtara n'ihi na ọ mụtaghị nwa nwoke ga-anọchite anya ya ma ọ nwụọ. Ma n'oge ochie ma n'oge ugbu a, ọ bụrụ na dibiaụlọ nwụọ, (ma o dere akwụkwọ ike ekpe ma o deghị), a na-enwe mgbagha etu na onye ga-eketa akụnaụba ya. Ihe dị etu a na-akacha njọ ma ọ bụrụ na nwoke nwụrụ anwụ enweghị nwa nwoke ọ mụtara. Nke a kpatara ọtụtụ ụmụnwaanyị n'oge ugbua jị akpakọ akụnaụba ọ bụla ha nwere ike ịkpakọ n'aha ha. Nzeakọ gosiri mmekpa ahụ nwaanyị ajadụ na-enwe na be di ya ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwa nwoke. Udumma na nwa ya nwaanyị eketaghị oke n'akụnaụba Ekwuigbo. Ndị ụmụnna chụpụkwara ha. Nzeakọ ewepụtachaghị omenala Igbo nke gosiri na nwaanyị ajadụ na ụmụ ya ndị nwaanyị anaghị eketa akụnaụba nna ha, kama ọ bụ nwoke maọbụ ndị nwoke nọ n'ezinaụlọ be di ya ga-eketa akụnaụba nwoke nwụrụ anwụ. Omenala ndị Igbo nke na-ewezuga nwa nwaanyị iso keta oke n'akụnaụba nna ya pụtara ihe site n'ihe Udumma gabịgara n'aka ụmụnne ya ndị nwoke. Dịọkpara nna ya sị,

> …ọ bụghị omenaala na ha ga-ewuru nwanne ha nwaanyị
> ụlọ n'ime ụlọ ha, n'ihi na a chọwa achọwa, o nweghị oke
> ga-erute ya…. (ihu 6)

N'ime ihe niile ndị a mere n'ezinaụlọ a nke gosiri na o mere n'ebe na n'obodo emepeghị emepe, a ga ahụzị ngosipụta ezinaụlọ na obodo mepere emepe nke Nzeakọ gosiri dịka obodo mepere emepe ndị Igbo bị ma na-egosi obibi ndụ ha. Ezinaụlọ a gụnyere; Ikegwuọnụ (nna/di), Adamma (nne/nwunye), tinyere ụmụ ha abụọ; otu nwoke na otu nwaanyị, nwanne Adamma na odibo ha. Ha bi n'ụlọ nke dị n'Enugwu. Nkọwa Nzeakọ gbasara ezinaụlọ a, gosiri na ọ bụ ụlọ e doziri nke

ọma nke nwere ọtụtụ ngwa dịcha mma e ji ebi n'ụlọ. Nke a gosiri na ọnọdụ ezinaụlọ a gbagoro agbago. E gosiri ha dịka ndị bi nke ọma n'enweghị ụkọ ma nwee ihe niile na-adị n'ụlọ nke oge ugbua.
Ikegwuọnụ bụ nna ma bụrụkwa dibiaụlọ ya. Ewezuga ikwuchitere odibo ha bụ Jụọchi ọnụ ya, ọ nọ dị ka agwa rarii n'akwụkwọ a. Ọ bụlagodu mgbe o kwesiri ịbara nwunye ya mba maọbụ kwuo okwu na mmegbu nwunye ya na-emegbu Jụọchi, ọ na-anọ nwayọ. Omume ya mgbe ọ tụbara nwanne nwunye ya bịara ịnọnyere ha ime, ziputara ya dịka onye agwa ya ruru unyi ma gosikwa ihe onye Igbo ga-ekwu dika na nwoke nwere ikike ilu karịa otu nwaanyị.
Mgbe ya na nwunye ya na-aba mba, nwunye ya ezoghị ihe o bu n'obi mgbe ọ si ya na ya na-enyo ya enyo n'ebe ihe gbasara ime nwanne ya nwaanyị bụ Oriakụ. Ikegwuọnụ enweghị omume ọ na-egosi maka ịnabata afọ ime Oriakụ maọbụ gosi ihe gosiri na ọ nabataghị omume ejeghị ozi Oriakụ n'ụlọ ya nke Adamma na-agwa ya ọtụtụ oge. Adamma gwara ya sị,

> A na-enyozi gị enyo, n'ihi na amakwaghị m otu I si eme
> omume n'oge a. O ruo n'ụtụtụ mgbe m bịara wee gwa gị
> na Oriakụ arụghị ọrụ kwesịrị ka ọ rụọ, naanị ihe ị gwara m bụ
> na nke ahụ agbasaghị gị… Nke a gosiri na anyị bụ nwunye di
> ugbu a. (ihu 50)

Ikegwuọnụ mechara nabata ịlụ Oriakụ, nwanne nwunye ya nke munyere ọkụ n'ụlọ bụ nke si n'aka Adamma. Akụkọ mechara gosi na Oriakụ bụụrụ ngwo ngwo ya hapụ be Ikegwuọnụ, mana mmebi o mebiri ezinaụlọ a adịgo. Mgbe nwoke kwesiri ịnabata nwanne nwunye ya, tụwara ya ime, ndị Igbo na-agbarụrụ omume dị etu a iru n'ihi na ọ na-egosi adịghị asọ.

N'akụkọ a, nwoke/di ezinaụlọ a bụ nsogbu ezinaụlọ a nwere. Ezi mmekọrịta nke dibiaụlọ na nwunye ya na-enwe, bụ nke mebirinu, ha were hụtawa ihe ezinaụlọ ghasara aghasa na-ahụ. Ijide onwe aka na ịkpachapụ anya n'ebe nke nwoke nọ kwesiri ibu ihe kaara ịzọ ezinaụlọ a.
N'ikpeazụ, Ikegwuọnụ hapụziri ezinaụlọ ya ọ ghasara, ṅụwa mmanya dịka ebe mgbadebe ọsọ ya.

> …ma nwoke gbapụrụ n'ụlọ ya n'ihi okwu na ụka,
> hapụrụ ihe n'ime ụlọ ya, n'ihi na ọ ghaghị ịnọ
> wee na-eche ya. (ihu 52)

Agwa kara gbaa elu n'akụkọ ezinaụlọ a bụ Adamma, nwunye Ikegwuọnụ. Akparamaagwa a pụtara ihe n'ihi mpako ya, ekweghị ekwe ya na omume ọjọọ dị iche iche o mesoro odibo ha. Ọ na-eme mkpọtụ nke ukwuu ma na-akparị, na-apịa maọbụ na-abara odibo ya oke mba ọ bụladị mgbe ọ bụ n'ihe onye ọzọ mere. Mgbe Jụọchi bịara be ha n'izizi, o gosiri ya omume nkarị ma gwa ya ọtụtụ ihe dị n'ụlọ ya nke ọ gaghị na-emetu aka. Ọ naghịkwa enye ya ezigbo nri. Ụdị ntaramaahụhụ na mmeso ọjọọ niile Jụọchi gabigara n'aka Adamma, zipụtara ya dịka ajọ nwaanyị afọ tara mmiri. Ọ bụghị naanị Jụọchi ka o mesoro omume dị etu a. A hụkwara etu o si meso Oriakụ omume mgbe o biliteghị n'oge n'ụtụtụ ka o je siere di ya nri ụtụtụ ma siere ya mmiri ọkụ ọ ga-eji wụọ ahụ. Adamma gosiri mpako ya etu a;

> Ụlọ a bụ ụlọ di m, n'ihi ya, ọ bụ ihe m kwuru ga-eme. Ma
> ọ dị onye nke ahụ n'adịghị mma n'obi, ya laa…. Ka m kwuo
> ya ekwuo n'ụlọ a aghaghị ime ihe m kwuru, unu nụrụ ya? (ihu 44)

Oge Oriakụ gosiri enweghị ike nke iteta ụra n'oge n'ụtụtụ ime ihe kwesiri na ọ ga-eme n'ụlọ

niihi isi ọwụwa na afọ mgbarụ, ọ bụ Adamma bụ onye izizi chọpụtara ya ma mee ngwa ngwa ịgbanwe omume ya n'ebe nwanne ya nọ nke mere ka o nwee ike iju ya onye tụwara ya ime. O nweghị mgbe Adamma yiwere uche na ọ bụ di nyụrụ ihe na-esinu.

Akparamaagwa Adamma site n'ịjụpụta nwanne ya nwaanyị onye tụwara ya ime, bụ ihe kwesiri ekwesi. N'oge a anyị nọ n'ime ya, ọ dịghị nwaanyị onye Igbo nke ga-anabata ihe dị etu ahụ n'ụlọ ya maọbụ were obere aka sowe ya. N'agbanyeghị omume Adamma niile a, ya na di ya ka na-emekwa nke ọma ruo mgbe ọ pụtara ihe na ọ bụ di ya mere ihe merenu. Ọ bụ site oge ahụ gawazie ka ezinaụlọ ha ghasara.

Jụọchi bụ onye omume mmekpa ahụ Adamma nwetara nke ukwuu. Nwata nwaanyị a, tara oke ahụhụ na ndụ ya. E gosiri ntaramaahụhụ a n'ụzọ atọ; nke mbụ bụ be nna ya ebe o bighi ndụ kwesiri nwata amụrụ amụ n'ihi ọrịa nke dakwasara nna ya, nke abụọ bụ be ikwunne ya ebe ya na nne ya nọ n'oke ahụhụ, nke atọ bụ na be nne ya ukwu (Adamma) ebe a tara ya nnukwu ahụhụ nke gosiri na a kpọtara ya akpọta n'ezinaụlọ ahụ. Ọ bụ nke a mere Nzeakọ jiri gosi omume ọjọọ Adamma site n'iju ọtụtụ ajụjụ dịka;

> Ọ bụrụ nwa ọ mụtara ọ ga-eme ya ụdị ihe ahụ o mere Jụọchi?
> Ọ bụrụ nwa ya ka mmadụ ọzọ mere ụdị ihe ahụ, ọ ga-adị ya mma
> n'obi? (ihu 37)

Nzeakọ gbarụkwara ihu n'azọghị Jụọchi n'omume Ikegwụọnụ site n'isi;

> Ọ dị mma otu di ya siri gbachị nkịtị wee ghara ikwu okwu? Ka ọ
> pụtara na nwoke ahụ adịghị ahụ ụdị mmegbu nwaanyị ahụ na-emegbu
> Jụọchi? Ka ọ bụ e buru ozu onye ọzọ, ọ dị ka e bu ukwu nkụ? (ihu 37)

Site n'ajụjụ ndị a, Nzeakọ zipụtara Ikegwuọnụ dịka nwoke juru oyi onye enweghị okwu aka ya iguzoro dịka nwoke ma zọọ ezinaụlọ ka dibiaụlọ. Ọ bụzi Adamma nọzi dịka nwoke nọ n'ezinaụlọ a. Odee gosiri Adamma ka nwaanyị hapụụrụ odibo ya ọrụ niile dị n'ụlọ ka ọ na-arụ. Nke a adịghị mma ọkachasị ebe ọ bụ nwaanyị togoro agbọghọbịa. Adamma hapụkwara nwanne ya nwaanyị bụ Oriakụ ka ọ na-elekwa di ya ma na-enye di ya ihe ọ bụla ọ chọrọ. Ụdị ịbụkọ ọnụ a butere nghasa ezinaụlọ a.

Oriakụ nọ ọnọdụ dịka onye bịara ighasa ezinaụlọ a. Omume Adamma mesoro ya n'oge ahụ bụ nke egosighị naanị iwe, kama o gosiri enweghịzi nnabata Adamma nwere n'ebe nwanne ya nọzi. A hụrụ ihe dị etu a dị ka;

> Ọ bụ ihe a ka ị bịara n'ebe a ime? Ị bịara ịnara m di m?
> Ọ dị mma, ugbu a ị wetala ihe ise okwu n'etiti anyị
> wee chọọ ịla. (ihu 51)

Ọ bụ site n'aka Oriakụ, ka Nzeakọ jiri kwusi ahụhụ Jụọchi. Tupu Oriakụ ahapụ be nwanne ya nwaanyị, n'ihi echiche ọma ọ na-echere Jụọchi, kwadooro ya ọnọdụ (n'ụzọ zoro ezo) ka o si be Adamma pụọ. Nke a bụ ka o were si n'ahụhụ ọ na-ata be nwanne ya nwaanyị pụọ.

Akụkọ gbasara ezinaụlọ nke abụọ a dị n'iduuazi a na akụkọ nke dị n'*Isi Akwụ Dara n'Ala* gosiri etu ezinaụlọ onye Igbo na-aga nke ọma nwere ike ịghasa n'ihi omume ịgba n'iro nke nwere ike isi n'aka nwoke maọbụ n'aka nwanyị. Nke a gosiri etu ịgba n'iro nwoke na nkwado ilu nwata nwaanyị n'ụdị nzuzo na enweghị nsọpụrụ n'ebe nwunye ya nọ, sị bute nghasa n'ezinaụlọ. Omume dị etu a nke dibiaụlọ na nwanne nwunye ya bụ ọmụmaatụ agwa enweghị ezi agwa nke na-eribanye n'ọtụtụ ezinaụlọ ndị Igbo so na ya. Na nke a, ọ bụ dibiaụlọ bụ onye weturu onwe ya

ala n'ebe nwanne nwunye ya nọ. Akụkọ dịkwa n'ime iduuazị gosikwara ụdị ahụhụ na ntaramaahụhụ ndị odibo na-agabiga n'aka nne ha ukwu.

**Ihe ndị a Chọpụtara**

Isiokwu nchọcha a mere ka e nwee ihe ndị a chọpụtara nke gunyere na odee Ubesie na Nzeakọ zipụtara na e sikwa n'iduuazị amata ihe ndị Igbo na-agbarụrụ ihu. Ubesie zipụtara na ịgba n'iro dị ka ihe ndị Igbo na-agbarụrụ ihu, na-ebute naanị ọghọm, ọkachasi mgbe ọ bụ nwunye mmadụ na-eme omume ọjọọ a. O ji akparamagwa Ada wee gosi ọghọm na-eso ịgba n'iro.
Nzeakọ n'otu aka ahụ, ji iduuazị ya gosi ọghọm na-eso n'ezinaụlọ ebe nwoke eweghị ọnọdụ ka onye isi ezinaụlọ ya. O gosiri na ọ na-eme ka nwunye nwoke dị etu a na-eme ihe sọrọ ya; nwoke agaghị enwe ọnụ okwu. Odee ji mmegbu nwanyị na-emegbu odibo ya n'ezinaụlọ wee gosi na nke a na-apụtakarị ihe ebe nwoke na-anwuju anya oyi.

**Mmechi**

Iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Ubesie na *Jụọchi* nke Nzeakọ dere, zipụtara etu akpachapụrụghị agwa anya n'ezinaụlọ nke agha mberede ghasara, ya na alụmdi nke omume ọjọọ nwaanyị siri bụrụ ihe ndị Igbo anabataghị. Akparamaagwa ọjọọ nwaanyị dịka ịgbahapụ ezinaụlọ ya na ịgba n'iro ghasara ezinaụlọ. Ịgba n'iro nwoke na ajọ omume nwaanyị mebikwara ezinaụlọ n'iduuazị ndị a. N'eziokwu, ihe ndị a a huru n'iduuazị ndị a bucha ihe ndị na-eme n'ọtụtụ ezinaụlọ n'ala Igbo ndị abụghị ihe e jiri mara ala Igbo n'oge gboo. Igosipụta ha n'ụzọ ederede dị mma ka e nwe ike ịgbanwe ọtụtụ n'ime ha. Ebe ọ bụ na Ubesie na Nzeakọ gbaliri ịjị iduuazị ndị a a họọrọ mee ka a mata ọtụtụ ihe na-eme n'ezinaụlọ ụfọdụ n'ala Igbo, ọ bụrụ na ndị odee iduuazị ndị ọzọ ga-eme etu a, ihe mmụta ga-eso ya ga-abara ọhaneze uru maka ịgbanwe ndụ ha. Ọ bụ eziokwu na a huru ọghọm dakwasara Ada n'ihi ajọ omume na ajọ ndụ ya na nghasa nke o buteere ezinaụlọ ya, hụkwa nghasa ezinaụlọ Ikegwuọnụ ghasara n'ihi ịgba n'iro ya, emeghị ka nwoke na ajọ agwa nwunye ya. Ihe dị etu a ga-abụ ihe nsape anya dịịrị nwaanyị ọbụla ụdị ajọ echiche a ka na-achọ ịba n'obi ya ka ọ mara na uru adịghị ya maọbụ nwoke nke ka na-enwe echiche n'oge ugbua na nwoke nwere ike ịnọ nkiti maọbụ ilu karịa otu nwaanyị. Ọ bụghị ilu karịa otu nwaanyị bụ isi ihe a na-ekwu, kama ọ bụ ma onye na-eme nke a o jikwa ume o ji anabata ihe ọ bụla ga-apụta na ya. Ọ bụ ihe dị etu a ka Ogbuagụ, Udemmadụ na Anedo hụrụ wee sị na;

> …ndị Igbo bụ ndị nche nwanne ha, ọ bụkwa ya ka
> ha ji atụ ilu si na "ihe metụtara imi emetụtala ọnụ".

N'uche ha, ọrụ ezinaụlọ bụ ilekọta, ichekwaba, ịmụ na izulite ụmụ n'ụzọ ziri ezi. Ezinaụlọ nwere njirimara pụrụ iche nke bụ na ọ dị ọkpụtọrọọkpụ. Ezinaụlọ nwere otu olileanya ma na-eme ihe niile ha ga-eji nwetazuo olileanya ha. Ọ na-echekwaba onye ọbụla site n'ime ka ọ pụọ na nsogbu. Nsogbu dị etu a bụ nke e zipụtara n'agwa ndị pụtara ihe n'iduuazị ndị a họọrọ, dịka ndị agbasoghị njirimara ezinaụlọ ndị Igbo site n'akparamaagwa ha dị iche iche.

**Edensibịa**


Ejiofor, L. (1981). *Dynamics of Igbo Democracy.* University Press.

Emenanjo, N. (1982). Some first thoughts on Igbo literature. Na (Ogbalu, C. na Emenanjo,

N.( Ed) *Igbo Language and Culture* 2, ihu.47-64. University Press.

Emenyonu, E., (1978). *The Rise of the Igbo Novel*. Oxford University Press.

Mbah, et-al (2013). *Igbo Adị*. University of Nigeria Press.

Mojekwu, E. (2003). Language and Style of Ubesie and Nzeakọ Works, Projekti O Dere Iji Nweta Nzere B.A, Nke o Dejeere Ngalaba Amụmamụ Lingwistiks na Asụsụ, Mahadụm Naijiria, Nsukka.

Ikwubụzọ, I. (2012). *Family and The Igbo Novel*, African Study Monographs, Vol.33 No. 3, pp.145-163.

Nwadike, I. (2002). *Agụmagụ Igbo: Iduuazị, Akụkọ Nkenke, Ejije na Abụ.* (1933- 2001). Akwụkwọ o dere na Semina na Mmụta Asụsụ Igbo na Senchụrị nke iri abụọ na otu, n'ọnwa Juun, n'ụbọchi iri na abụọ ruo na iri na atọ, na Mahadum Naijiria Nsukka.

Nzeakọ, T., (1981). *Jụọchi*. Macmillian Nigeria Publishers.

Ogbuagụ, J.O, Udemmadu, T.N & Anedo, A.O. (2012). *Ntọala Ọmụmụ Agụmagụ na Omenaala Igbo*. John Jacob's Classic Publishers.

Ọgbalụ, C., (1981). *Ndụ Ndị Igbo*. University Publishing Company.

Okigbo, D. (2005). Understanding the Igbo Family and the Igbo Structure in *Academic Journal of Globalization, Vol. 3* No. 3, pp. 084-091.

Ọzọ, M. (2000). Nnyocha na Ntụcha Iduuazị Agha Nke Tony Ubesie. Projekti o dere iji Nweta Nzere B.A na Ngalaba Amụmamụ Lingwistiks na Asụsụ Naijiria Mahadum Naijiria, Nsukka.

Ubesie, T., (1973). *Isi Akwụ Dara n'Ala*. University Press.

Ugonna, N. (1978). A Brief Survey of the Development of the Igbo Novel. Akw*ụkwọ* a kọwapụtara n'ọgbakọ nke iri na atọ nke Asụsụ Afrịka ndị West, n'ọnwa Aprel, ụbọchi atọ ruo n'ụbọchi asaa na Kọleji Bay dị na Freetown nke Sierra Leone.